

Mgbakọta oge

**Nkeji iri ano na ise ruo iri isii**

Otu afo

**Afo iri na otu maobu karịa**

# Onye o bula nwere ike i bu Onyenchekwaebumnobi!

## Atumanya Ihe Mmụta

- Ụmụ akwụkwọ ga aghọta ihe mere eji akpo mmadụ Onyenchekwaebumnobi maka Ebum N'obi Mmepe Bụịgba (SDGs)
- Ụmụ akwụkwọ ga amara ma ghọta nka na ihe mmụta ha nwere iji tinye aka na SDGs
- Ụmụ akwụkwọ ga amụta ikwu ihe mkpa uche ha

## Ntinye ego

Aga eme ihe omụmụ ma intaneèt ọdị ma odighi.

Na nweta Intaneèt:
Igwe fòto màọbụ igwe fòto ekwentị/laptoopu/ipadi iji nyefee foto ụmụ akwụkwọ na Onyenchekwaebumnobi Ngwa kòmpụtà.

Na-adighi enweta intaneèt
Mkpisi ode akwụkwọ, agba mmiri, ngwaọrụ maka njikọ foto, enyo na eserese foto nke Onyenchekwaebunobi mpempe akwụkwọ ihe emume.

## Edemede gburugburu okwu buru ibu nke Atụmatụ Ihe Omụmụ

Atụmatụ ihe omụmụ a na-agbalị itinye ụmụ akwụkwọ obi isi ike na onye o bula nwere ikike ibu Ebum N'obi Mmepe Bụịgba (SDGs). Site na ighọta mkpa onye o bula na isonye na mmeta ihe nke SDGs, ụmụ akwụkwọ ga amata ma nye ekele nka di iche iche nke mmadụ niile, nakwa dikà onwe ha. Atụmatụ ihe omụmụ a na ejikọ na isi ihe eji atụ ihe nke 2018 OCED Pisa nyocha echiche di iche iche di mkpa: Ikike Ụwà Nile. Akọwara dikà "ike iji nyocha ebeulo,uwa niile na nsogbu omenala di iche iche, iji ghọta ma mara mkpa echiche na echiche ndị ụwa maka ndị ọzọ, iji sonyè na ebe meghere emeghe, kwesiri ekwesi na nkwukorita okwu di ire yanà ndị mmadụ si na omenala di iche iche, na iji mee ihe ma ọdị mma mmadụ niile na mmepe ga adigide." http://www.oecd.org/pisa/pisa-2018-global-competence.htm

**Akwụkwọ Ozi nke Ndị Nkuzi**
Ihe omụmụ a na agụnyere ụmụ akwụkwọ ichèbara echiche na nka onwe ha, odidi mmadụ na ihe mmụta site na mmepụta ihe eserese Onyenchekwaebumnobi. Ụfọdụ ụmụ akwụkwọ nwere ike ogaghi adịcha ha mma ise ha foto ya mere aga agwa ha mepụta eserese Onyenchekwaebumnobi nke nwata akwụkwọ ọzọ màọbụ Onyenchekwaebumnobi ama ama maka SDGs. I nwekwara ike ihu ebe ana akpo SDGs dikà Ebum N'obi Ụwà Nile. Ihe ndị a bu otu ihe, jiri mkpụrụ okwu nke masiri gị.

Ihe omụmụ ndị a gunyekwara itinye foto nke ụmụ akwụkwọ na intaneèt. Gbaa mbo hu na nke a kwunyere iwu gbasara nchekwa na nzuzo ulo akwukwo ma gụọ okwu nkwekọrịta na ọnọdụ nke Onyenchekwaebumnobi appu: http://cdn.worldslargestlesson.globalgoals.org/2018/06/goalkeeper-privacy1-1.pdf

## Ekele

Nwere ekele pụrụ iche nye **Chris Gadbury**, Twitter: @chrisgadbury www.magicstorybooks.com,
**Memory Banda:** https://memorybanda.blogspot.com/
**Ndubuisi Uchea na Hayel Wartemberg:** https://wordonthecurb.co.uk/
**Odeogbola Ayodele, Adeeko Olalekan:** Ụlọ Akwụkwọ Grammar Abeokuta, Abeokuta na Baptist Ụlọ Akwụkwọ Sekondri Ụmụ nwoke (ha abụọ nọ na Nigeria)

### Nzọụkwụ nke mbu: Mkpalite Ihe Mmụta N'oge

Nkeji **ise**

**Mara nke a:** Ihe omụmụ a na eweere ya na ụmụ akwụkwọ nwere mmata nke SDGs ugbu a. Njikọ na Ebe Ihe Omụmụ Kachasị Ukwuu nke ụwa nke otu katuunu nke webatara ụmụ akwụkwọ na Ebum n'obi enwere ike ihu ya na http://worldslargestlesson.globalgoals.org/resources-for-teaching-the-sdgs-in-nigeria/

Juo ajụjụ ndị a na esonụ maka nkwughari isi okwu ọsisọ nke ihe mmụta ụmụ akwụkwọ SDGs Aga eme nke a dikà Ihe nchebara echiche, Mmadụ abụọ, Nkekorita màọbụ ihe emume klaàsị niile: *Kedu ihe SDGs na achọ imezu? Gịnị mere ha jiri di mkpa? Ihe Ebum n'obi ole nọ eba ahụ?*

### Nzọụkwụ nke abụọ: Ịmata Onye na Enye Aka Imezu ihe SDGs Ugbu a

Nkeji **iri**

Juo ụmụ akwụkwọ ajụjụ ahụ: *Kedu onye o bu oru ya imezu SDGs?*
Ihe nwere ike ikwe ncheta: Goomenti, NGOs/inye aka, ndị UN, azụmahịa, ụlọ akwụkwọ, umuaka, okenye. MMADỤ NIILE!

Nke ọzọ juo ajụjụ ahụ: *Ndị na eto eto ha enwere oru imezu ihe SDGs?*
*Ndị na eto eto enwere ike ime ihe di iche na ihe SDGs?*

Kpaa nkata ụfọdụ azịza di iche iche na echiche ma kowaa na obunadi site na afo di nnọọ obere, umuaka na ndị na eto eto nwere ike inwe ihe mmetụta bara uru na Ebum n'obi. Kirie ihe nkiri katuunu nke Ihe Omụmụ Kachasị Ukwuu N'ụwa nke abụọ (http://worldslargestlesson.globalgoals.org/resources-for-teaching-the-sdgs-in-nigeria/) ihu ihe ọmụmatụ nke ndị nkịtị na eto eto na eme ihe maka Ebum n'obi. Na/màọbụ i nwere ike igosi ụmụ akwụkwọ ihe ọmụmatụ si na maàpụ mmekọrịta Ihe Omụmụ Kachasị Ukwuu N'ụwa ma lee ihe ndị ọzọ na eto eto na eme maka SDGs.

Kowaa na enwere ike ikpo ndị a ***Ndinchekwaebumnobi*** maka na ha kwudosiri ike na eme ihe maka SDGs. Ha bu mmadụ nkịtị na eche banyere ime ụlọ akwụkwọ, ụlọ, obodo na mba ha di mma maka onye o bula ebi n'ime ya ugbu a na ha na eche banyere echekwa ha maka ọdịnihu. Ha na eji Ebum n'obi dikà ụzọ ha ji ejikọ ime ihe ha na atụmatụ Ụwà niile iji mee ụwa oditu mma na ọzọ di. Ụmụ akwụkwọ nwere ike igùkwụ banyere Ndinchekwaebumnobi na eto eto si na na gburugburu ụwa na **Ozi mgbakwunye nke mbu ruo nke ano**.


SUSTAINABLE DEVELOPMENT GOALS
WORLD'S LARGEST LESSON
In partnership with unicef for every child
Supported by AVANTI
With thanks to United Nations Educational, Scientific and Cultural Organization
Endorsed by FEDERAL MINISTRY OF EDUCATION

## Nzọụkwụ nke ato: Na-Ejiko Nka Ndị Mmadụ Nwere Na SDGs

Nkeji **iri na ise**

**Mara nke a:** Na ihe omume na esonụ enweghi azịza ziri ezi na nke na ezighị ezi. Emepụtàrà ihe omume ime ka mkparịta ụkà na aga ngwa ngwa n'etiti ụmụ akwụkwọ site na iju ajụjụ ọhà nke ga akpalite ụmụ akwụkwọ iji inye ihe kpatara echiche na uche ha.

Gụputa ya/gosi nkwughachi okwu onye ọzọ di n'okpuru si na Onyenchekwaebumnobi Memory Banda (Lee **Ozi mgbakwunye nke ato** maka ọzọ banyere oru Memory di itunanaya na imezu Ebum n'obi nke nke ise).

*"Enweghi nnukwu ike mmadụ ga eji abụ Onyenchekwaebumnobi, **onye o bula** nwere ike ibu Onyenchekwaebumnobi site na naanị ịhọrọ SDGs o bula ma bido ikwanyè maka ọganihu."*

Kpaa nkata okwu nkwughachi a dikà klaàsị - *ụmụ akwụkwọ ekwetara?* Kowaa na onye o bula nwere nka di iche iche na ihe mmụta iji mezuo Ebum n'obi. O bu etu ụmụ akwụkwọ si eji ihe a emezu SDGs bu ihe di mkpa. Dikà Onyenchekwa kpebiri iguzosi ike ma mee ihe - o buru godi na ha nwere igbu oge ọganihu na ndakpọ olileanya ha ga anọgide na olileanya, nchekwube ma nwee mkpebi na Ebum n'obi ahụ ga-abịa na mmezu!

Gosi "ihe Njikọ N'etiti mpempe akwụkwọ ihe emume SDGs (**Ozi mgbakwunye nke ato**). Ihe emume a bu enyere ụmụ akwụkwọ aka mara ụdị nka enwere ike ịchọ iji mezuo Ebum n'obi o bula. Gosi okwu ndụ iri na ise atụrụ arụ na **Ozi mgbakwunye nke isii** (Inwere ike edeghari ihe ndepùta a maka ebe ụlọ akwụkwọ gị). Họrọ otu okwu iji bido ọmụmatụ enye uchè. Dee ihe a na uhie rektangulu mbu na etiti mpempe akwụkwọ ihe omume.

Nke ọzọ juo ajụjụ - *kedu etu nka enye uchè ga esi enye aka na Ebum n'obi ahụ? Olee Ebum n'obi nwere ike emetụta karicha?* Gbaa ụmụ akwụkwọ ume iji nye ihe kpatara echiche na nhọrọ ha. Nwere obere ntụziaka si na klaàsị ma jìkọ enye uchè na Ebum n'obi ahorola site na ise akara si na okwu gaa na Ebum n'obi niile di mkpa.

Ụmụ akwụkwọ nweziri ike imezu ihe fodụrụ na mpempe akwụkwọ oru site na ịhọrọ ụdị nka ọzọ ewepụtara na **Ozi mgbakwunye nke isii** ha chere na ọkà di mkpa maka mmezu Ebum n'obi ahụ na ijiko nka ahụ na Ebum n'obi ha chere nwere ike ikacha bàa uru.

Na ihe omume niile ahụ, kwụsị klaàsị iji juo ụmụ akwụkwọ ajụjụ ụdị nka ha mara dikà nke kachasị mkpa. Gwa ụmụ akwụkwọ ka ha kekorita ụfọdụ echiche ha dikà ihe kpatara ha jiri họrọ otu nka maka Ebum n'obi akpọrọ aha.

**Mara nke a:** Enweghị azịza ziri ezi màọbụ aziza na ezighi ezi n'ebe a dikà onwere ike idabere na ihe ụmụ akwụkwọ chere. Ụfọdụ nka nwere ike buru ihe di mkpa na Ebum n'obi niile.

**Nnwàle:** Juo ụmụ akwụkwọ *ihe mere ojii di mkpa na anyị nwere otutu mmadụ di iche iche nwere nka di iche iche, mmasị na ihe mmụta iji nye aka emezu Ebum n'obi?* N'ihi na nsogbu ụwa na-ahụ buru ibu ma di iche na mgbe ụfọdụ enweghi otu ụzọ esi egbo mkpa màọbụ azịza.

## Nzọụkwụ nke ano: Ịmata Ikike Otu Onye

Nkeji **iri**

Ihe ọzọ bu ka ụmụ akwụkwọ mara nka nke onwe ha. Gwa ụmụ akwụkwọ ka ha nwere ụfọdụ oge chee echiche banyere azịza ha na ajụjụ na esonụ. Ha na onyenrukooru nwere ike ikpa maka arọ ndị ọzọ.

1. *Kedu ihe pụrụ iche banyere gị mere ka I buru onye pụrụ iche?*
2. *Kedu ihe banyere gị pụtara na I nwere ike ibu Onyenchekwaebumnobi?*
3. *Kedu nka màọbụ agwa I nwè bụrụ I nwere ike imelitekwu iji buru Onyenchekwaebumnobi?*
4. *Kedu ụdị mmadụ I chọrọ ibu mgbe I mere okenye?*

Gbaa ụmụ akwụkwọ ume iji chee banyere ma họrọ ọtụtụ okwu dikà okwere mee. O di mkpa ikwusiri ụmụ akwụkwọ okwu ike na ha anaghị ahọrọ okwu na akọwa odidi onu ahụ, kama okwu ahụ ga akọwa agwa, nka na ihe mmụta. Dikà ihe ncheta, I nwere ike izi ụzọ na okwu ndị a edepụtàrà na **Ozi mgbakwunye nke isii.**


SUSTAINABLE DEVELOPMENT GOALS
WORLD'S LARGEST LESSON
In partnership with unicef for every child
Supported by AVANTI
With thanks to United Nations Educational, Scientific and Cultural Organization
Endorsed by FEDERAL MINISTRY OF EDUCATION

## Nzọụkwụ nke Ise: Mmepụta Eserese Onyenchekwaebumnobi

Nkeji **iri**

Nke ọzọ gosi Onyenchekwaebumnobi Me appu. Kọwaa na ụmụ akwụkwọ ga achọ ịhọrọ mkpuru okwu ato ha kwere ga akacha nyere ha aka dikà ha ga eme ihe maka SDGs. Jiri ohere a kọwaa na o bu banyere inabata onye o bula di iche na mmasị ha di iche iche na oke ọchịchọ bu ihe achọrọ iji mezuo SDGs. I nwere ike igosi ụfọdụ ihe atụ nke eserese Onyenchekwaebumnobi: http://perfectdaylondon.com/projects/goalkeepers/

Ụmụ akwụkwọ na etinye foto onwe ha na app weebusaiti nke Onyenchekwaebumnobi ma ha nwere ike ime eserese nke onwe ha dikà agba na okwu. (Lee **Ozi mgbakwunye nke asaa** maka ndepùta ntụziaka zuru ezu).

Ndị nkuzi nwèrèkwara ike igosipụta ijiri ụdị nkwurịtaokwū mgbasa ozi etinye foto màọbụ jiri ekwentiamamiihe onwe dikà ịmā atụ (karịsịa na ụlọ akwụkwọ di onu ala.)

**Nke ọzọ:** O buru na igwe foto ekwentị/igwe fòto adịghị nweta enyo ma kpọọ ụmụ akwụkwọ ka ha see/tee màọbụ foto onwe ha nwere ihe eji nagide ya. Mgbe ahụ ụmụ akwụkwọ ga eji foto a na okwu ato ha horola iji mepụta eserese Onyenchekwaebumnobi (Lee usoro eserese Onyenchekwaebumnobi na Ozi mgbakwunye nke asato). Mgbe ahụ aga egosi eserese Onyenchekwaebumnobi dikà ngosi Imēụlọ klaàsị màọbụ ụlọ akwụkwọ. Nnwàle ụmụ akwụkwọ iji chee echichi ebe ọzọ ha ga egosi ya. *Kedu ebe ha nwere ike igosi eserese Onyenchekwaebumnobi ha iji nye aka mee ka ndị ọzọ mara banyere SDGs?*

## Nzọụkwụ nke isii: Ugbu a i di na njikere - Mee ihe mbu gị!

Nkeji **iri**

Ozugbo ụmụ akwụkwọ mara nka na ihe mmụta ha nwere iji buru Onyenchekwaebumnobi, ha di njikere ime ihe maka SDGs! Juo ụmụ akwụkwọ ajụjụ ndị na esonụ dikà klaàsị:

- Kedu ihe i nwere ike ibido mewe maka Ebum n’obi taa?
- Kedu ihe i chọrọ ime maka Ebum n’obi dikà klaàsị?
- Kedu ajụjụ ndị i nwere banyere Ebu, n’obi?

Kirie katuunu Ihe Omụmụ kachasị Ukwuu na Uwa nke ato http://worldslargestlesson.globalgoals.org/resources-for-teaching-the-sdgs-in-nigeria/ maka mkpali na etu esi ebido taa!

Biko kekorita anyị eserese Onyenchekwaebumnobi! gị! Soro ọtụtụ puku Ndinchekwaebumnobi ọzọ na eto eto site na itinye ihe mmụta gị na nkwukorita maapu anyị. I nwekwara ike edere anyị Twitter: @WorldsLessonNG Facebook: @WorldsLessonNG Instagram: @WorldsLessonNG Ozi intaneet: wordslessonnigeria@outlook.com

**Mgbakwunye Ihe Omume:**

- Gosi ụmụ akwụkwọ ebe mpi aka Ime ihe Nwata akwụkwọ anyị na weebusaiti Ihe omụmụ kachasị ukwuu na ụwa http://worldslargestlesson.globalgoals.org/ maka mkpali na etu esi ime ihe maka SDGs.
- Mepụta Arụmarụ Ime ihe Obodo iji nye aka nweta mgbanwe na ebe ụlọ obodo: http://worldslargestlesson.globalgoals.org/student-led-change-projects/
- Kirie obere ihe nkiri a (Vimeo njiko https://vimeo.com/268764152, Njiko Youtubu https://www.youtube.com/watch?v=lf4jpEhRubs) - *Biko mara nke a ihe nkiri a di naanị na asụsu bekee)* banyere otu onye ama ama site n’oge gara aga. Juo ụmụ akwụkwọ ajụjụ ndị a na esonụ: *O buru na onye nọ na vidīò a ka di ndụ ha enwere ike ibu Onyenchekwaebumnobi? Olee Ebum n’obi i chere ha ga-akwado? Kedu maka ndị a o pụtara na ha bu Ndinchekwaebumnobi? Kedu ụdị agwa ha nwere ike ina egosi iji mezuo ihe mmeta kwesiri ka amara ya ha nwere?* Enwere ike ime nke a dikà oru enyere n’ulo màọbụ mee ihe mbido nke arụmarụ akụkọ ihe mere eme na ele anya na akụkọ oke mmadụ ama ama.
- Gwa ụmụ akwụkwọ ka ha choputa ndị ọzọ si na mba ha ndị ha chere ekwesiri ikpo Ndinchekwaebumnobi. Gwa ụmụ akwụkwọ ka ha kwadebe obere ihe ederede na edèpụta ma kowaa ihe kpatara ha jiri chee na ha kwesiri ibu Onyenchekwaebumnobi. *Kedu ihe ụmụ akwụkwọ nwere ike ịmụta site n’aka ndị a? Enwere ike ikpo ha bịa kwuo okwu na ụlọ akwụkwọ gị? Màọbụ nye aka na ikpalite mmụọ ndị na eto eto iji mee ihe?*
- Onye o bula nwere ike imepụta eserese Onyenchekwaebumnobi! Gbaa ụmụ akwụkwọ ume ikekorita ihe a na ndị nne na nna ha, ezinụlọ na ndị enyi iji gbasaa ozi SDGs
- Gwa ụmụ akwụkwọ ka ha ga njem nchọpụta ma nyocha mmemme Ndinchekwaebumnobi (https://www.globalgoals.org/goalkeepers) emere na afo o bula. *Onye bu ndị ọbịà gara aga na ndị bịaranụ? Kedu ihe ha megasiri maka mmezu Ebum n’obi? Gịnị kpatara mmemme obi añụri di otu a jiri di mkpa na imezu SDGs?*


SUSTAINABLE DEVELOPMENT GOALS · WORLD'S LARGEST LESSON · In partnership with unicef for every child · Supported by AVANTI · With thanks to United Nations Educational, Scientific and Cultural Organization · Endorsed by FEDERAL MINISTRY OF EDUCATION




## Olude Marvelous, Ernest Ogunyemi, na Amao David – Nigeria

Otu Aqua bu otu ụmụ nwoke ato - Olude Marvelous, Ernest Ogunyemi, na Amao David - onye butere echiche ahụ nke ejiri aja mmiri usoro ndụ nke ebe imē obodo iji nweta mmiri aga ebụghariị ndị mmadụ na obodo ha. Aja usoro ndụ ebe imē obodo arụmarụ mmiri nzacha nke ha chepụtara nke na eji ngwaọrụ di na ebe ụlọ, nke pụtara na ọdị onu ala ma ọga ekwe nzuta, nọ na ojiji ugbu a ụlọ akwụkwọ ha na ọnụọgụgụ nke ezinụlọ na obodo ha.

**1. Kedu ihe kpalitere mmụọ gị iji mee ihe maka SDGs?**

Tumadi, o bu gburugburu ebe obibi. Na-ebi na obodo ebe idi ọcha nwere ike ibu ihe efu, mba ebe ọnụọgụgụ ndị mmadụ na eji mmiri onunu di ọcha ma di mma bere nnukwu mpe karịa ndị na eji ekwentị amamihe. Etinye na ịmata na onweghi onye nwere mmasị, o bụghị maka na ha achọghị, mana kama o bu n'ihi na ha enweghi ihe di mkpa. N'ihi ya, ihe niile anyị na eche bu otu anyị nwere ike, site na obere utu ego, na eme obere mgbanwe: mgbanwe pụtara na ezinụlọ enwekwa mmiri nbughari, na ndụ nọ na nchekwa.

**2. Kedu ihe na akpali gị ịnọgide na ịga n'ihu?**

Ihe mkpalị mmụọ anyị, mbu, bu ihe gafere nsogbu obodo ụlọ akwụkwọ. Echiche nke Mandela Washington Ụmụ akwụkwọ mbu ibe na Nigeria, ebe ndị ọkaikpe na ọtụtụ ndị ọzọ kwadoro arụmarụ anyị site: inye anyị ego onyinye, ikekorita ihe mmụta na ịgwa anyị etu anyị ga esi adị mma. Nke ahụ bu ihe mmalite mkpalị mmụọ, mana kwa ụbọchị mkpalị mmụọ anyị bu ihe mmetụta, n'agbanyeghi na ọdị obere, arụmarụ ahụ enwela ma gaa n'ihu na inwe na obodo anyị, na ole ndị na eto eto bu otu nzọụkwụ n'ihu iji mekwa ihe. Arụmarụ mbu anyị, nke bu osisi ndụ mbuba ya na enwepụta isìsị siri ike nwere ike ịgbā oku maka ụlọ akwụkwọ laabù, na akpali karị mmụọ anyị mgbe nile iji nọgide na iru oru na arụmarụ nzacha aja mmiri usoro ndụ nke ebe ụlọ.

**3. Gịnị mere eji chee na ndị na eto eto di mkpa iji nye aka na imezu SDGs?**

Aziza anyị bu "gịnị mere". Na-ezute ọtụtụ ndị na eto eto si na ebe niile na Nigeria na ọtụtụ ndị ọzọ si na gburugburu ụwa ndị na enye aka iji mee ụwa o buru ebe di mma, mmadụ nwere ike iche ihe ha nwere ike ime na enyere anyị niile aka emezu Ebum n'obi. Ndị na eto eto nwere udika mmụọ ime mmụọ na enye ha ike iji mee ihe ma mèta ihe o bula o bu ha tinyere uche ha iji nweta, n 'agbanyeghi ihe pụrụ omume na ihe isi ikē jupụtara na ụzọ ha. Tinye na ihe amara bu eziokwu na ndị na eto eto na ụwa taa, ihe dikà ijeri abụọ, bu nnukwu ike. Na enwere ọtụtụ n'ime anyị ebe a pụtara: na anyị na arụ oru di mkpa na ihe o bula na eme n'uwa anyị. Nakwa, ndị na eto eto di ezigbo mkpa maka na ututu SDGs bu ebum n'obi ha. O bu ndị na eto eto chọrọ Agumakwukwo Kacha Mma karịsịa, o bu ndị na eto eto ga ano ebe a iji gbaa ama ihe o bula mere/omeghi (dabere etu anyị si emeso ya? dakwasi ụwa.

**4. Kedu ihe ibu Onyenchekwaebumnobi pụtara nye gị?**

Ibu Onyenchekwaebumnobi nye anyị bu ibi ndụ kwa ụbọchị na ụzọ ga emetụta obodo anyị maka ọdị mma; o bu obere añụrị ka anyị na enwe na ịmara na ụfọdụ mmadụ ebe ụfọdụ di nchekwa; na ụmụ agbọghọbịa na ụmụ okorobia apụghi na mmadụ na ụdị ọrịa mmiri digasị iche gburu ọtụtụ ihe ọchịchọ anyị na sub-Saharan Afrika na ebe akụkụ ndị ụwa ọzọ.


SUSTAINABLE DEVELOPMENT GOALS
WORLD'S LARGEST LESSON
In partnership with unicef for every child
Supported by AVANTI
With thanks to United Nations Educational, Scientific and Cultural Organization
Endorsed by FEDERAL MINISTRY OF EDUCATION

## Ozi mgbakwunye nke abuo: Ọmụmatụ Ndinchekwaebumnobi na eto eto si na gburugburu ụwa



### Comfort Ijaola, Victor Aromose na Afred Adeyemi si na Nigeria

Comfor, Victor na Afred bu ụmụ akwụkwọ ndị K11th na K8th bu ụlọ akwụkwọ sekondri nke ọhà ama ama na ebe ndịda anyanwụ Nigeria na ahụ maka ndakpọ umuaka na eto eto na Nigeria site n'uzo nchepụta echiche ọhụrụ. Etu esi adakpọ na emegide ụmụ agbọghọbịa ihe n'ike na obodo ha mere ụmụ akwụkwọ jiri bido ime atụmatụ ihe ga anọgide dikà ụlọ akwụkwọ sekondri. Ụmụ akwụkwọ na arụkọ oru iji mepụta isi ihe maka naanị arụmarụ Nigeria. Arụmarụ ahụ bu ụdị mbu pụrụ iche mere ka Nigeria bido sonyè na Nnwàle Dayamodu Ụwà niile dikà Onye asọmpi tozuru etozu ịga na 2019.

**Kedu ihe kpaliri mmụọ gị iji mee ihe maka Ebum N'obi Ụwà Niile?**
Dikà otu na arụkọ onu anyị chọpụtàrà na ụmụ agbọghọbịa na eto eto na gburugburu ụwa niile karịsịa na Nigeria na ahụ ọtụtụ nsogbu nke ndakpọ n'ike na inyē egwu bu nke kachasinụ.Anyị chọpụtàrà na nsogbu a na aka njọ kwa ụbọchị dikà ọnụọgụgụ siri kwuo. Ozokwa, ihe anyị gabigara yana akụkọ ndụ ndị mmadụ akpalitere mmụọ anyị ime ihe maka Ebum n'obi nke ise –Enweghi Mkpasọ Otu Agwa n'etiti Nwoke na Nwanyị.

**Kedu ihe na akpali gị ịnọgide na ịga n'ihu?**
Nka na ụzụ abụrụla ihe kachasị emetụta imezu Ebum n'obi anyị, omeela ka anyị na aga n'ihu site na mbido. Ozọkwa inu oku n'obi anyị nwere maka Ebum n'obi a bu ihe na eme ka anyị na-aga n'ihu. Ina eji intaneèt emela ka anyị metụta mmadụ na akụkụ ụwa. Imaatu nke a bu weebusaiti anyị mepụtàrà nke ruru oru dikà ihe kachasị di mkpa eji emezu Ebum n'obi a. Nzaghachi di mma si na ndụ anyị zoro bu ihe ọzọ na eme ka anyị na aga n'ihu.

**Gịnị mere e ji chee na ndị na eto eto di mkpa iji nye aka na imezu SDGs?**
Anyị nọ na oge ụwa ọhụrụ ebe ụwa jupụtara na ndị na eto eto. Nke a gosiri na mgbe ana etinyekwụ ndị na eto eto ka ha sonyè na arụmarụ inu oku n'obi dikà nke a obodo anyị ga na emepekwụ. N'eziokwu isonye na mmezu Ebum n'obi dikà nke a kwesiri ịgbā ọtụtụ ndị na eto eto ume maka na inu oku na obi bu ihe ejiri mara ndị na eto eto.

**Kedu ihe ibu Onyenchekwaebumnobi pụtara nye gị?**
Ibu onyenchekwaebumnobu mere ka anyị mara obodo anyị. Iji nyere obodo anyị aka ebe achọrọ enyemaka na ịchọta ndị anyị na ha nwere otu uche ka anyị rukooru ka ewere mezuo Ebum n'obi di ire. Nke a bu ihe ngosi isi nrukọ oru anyị yana Ndi nzopụta ndị bu ndị nrukọ oru nke naanị Nigeria di ka Ndị ndumọdụ, Ndi Nkwàlite Ikike Mmadụ, Ndị therapy na ndị mgbasa ozi.


SUSTAINABLE DEVELOPMENT GOALS
WORLD'S LARGEST LESSON
In partnership with unicef for every child
Supported by AVANTI
With thanks to United Nations Educational, Scientific and Cultural Organization
Endorsed by FEDERAL MINISTRY OF EDUCATION



## Memory Banda
## si na Malawi

Memory bu onye nkwado nkwusi alum di nwatàkiri ike na adịghị agwụ agwụ. Memory ekweghi alụ di mgbe o di obere ma kama yanà ndị isi obodo rụkòro oru iji mepe iwu ga enye aka iji chèkwaa umu agbohobia na eto eto ka ha ghara ibanye na alum di na nwunye. Oru ya emela ndị ọchịchị etinyekwùo afo iwu nke alum di na nwunye na Malawi ka o ruo afo iri na asato.

Iji gukwùo banyere oru Memory, pịa ebe a.

**1. Kedu ihe kpaliri mmụọ gị iji mee ihe maka SDGs?**
N'eziokwu, itolite na otu n'ime mba kacha daa ogbenye abụghị ihe di mfe, karịsịa maka umu agbohobia. Anyị tolitere na enweghi ohere iho ihe, na obere ohere n'ndu. O bu ihe mwute na ndị mmadụ tolitere na amaghị na ha nwere ikike mmadụ kachasị mkpa nke kwesiri ka echekwa ya ma chebe ya. Ihe kachasị ewute bu ihu ụmụ agbọghọ ibe m na ekwuwụghị okwu maka onwe ha mgbe o bula emebiri ikike ha, màọbụ na ahụ nsogbu o bula na ndụ ha. Agumakwukwo bu otu n'ime ikike mmadụ di mkpa, mana ọtụtụ umu agbohobia enweghi ya. Mgbe m huru alum di nwatàkiri ka ọna eme n'ime ezinụlọ m, ndị enyi, na n'ime obodo; ma ekpebie ka m pụta maka ha. Alum di nwatàkiri bu otu n'ime omenala na agbawa obi metụtara ọtụtụ ụmụ agbọghọbịa ndị nwere ike ibu ndị amaala nwere ike imepụta ihe ọhụrụ. E cherem na orụọla oge aga enye umu agbohobia ohere nha iji nogide na ụlọ akwụkwọ ma soro na ọhà na eze, ndoro ndoro ọchịchị ma ihe omume akụ na ụbà.

**2. Kedu ihe na akpali mmụọ gị iji nogide na ịga?**
Ihe kpaliri mmụọ iji nogide na ịga bu ọganihu anyị na eme. Umu agbọghọbịa na ebilite karịa nsogbu ha ma ha na achọ mgbalị uche na ọnọdụ ihe ugbu a. Ụmụ agbọghọbịa na echebe onwe ha na eme ihe di iche na obodo ha, ha na abụ ndị isi, ndị na eme mgbanwe; ha na echebe ikike ha. Nke a gosiri na Okike mkpàsọ otu agwa (Ebum n'obi ise) bu ebum n'obi aga emezu.

**3. Gịnị mere e ji chee na ndị na eto eto di mkpa iji nye aka na imezu SDGs?**
Ndị na eto eto bu ndị o na emetụta karịa site na mmachi Ebum n'obi o bula, o bu ihe di mkpa na ndị na eto eto sonyèrè na ihe omume o bula na emetụta ndụ ha ebe obụla na ụwa. Enweghi ndi na eto eto Ebum n'obi ụwa agaghị abịa na mmezu. Nchekwa ebumnobi niile nke SDGs bu ahapula onye o bula na azụ. Ndị na eto eto ga esonyè na ihe niile ka anyị nwee ike ime nto oru ga adigide maka ndị na abịa n'ihu ọzọ.

**4. Kedu ihe ibu Onyenchekwaebumnobi pụtara nye gị?**
Ebu Onyenchekwaebumnobi bu inwe ike ịchọpụta nsogbu ọhà mmadụ ma mara ihe i ga eme ma mèghachi omume ya site na ibute ụzọ, na amalite iche echiche di iche na atụkwasị onwe gị obi na mgbanwe ga eme. Enweghi nnukwu ike mmadụ ji abụ Onyenchekwaebumnobi, onye o bula nwere ike ibu Onyenchekwaebumnobi site na ịhọrọ nke SDGs o bula ma bido ikwanyè maka ọganihu. Mgbanwe na eme mgbe enwere agụụ, mkpebi, na ime ihe.


SUSTAINABLE DEVELOPMENT GOALS
WORLD'S LARGEST LESSON
In partnership with unicef for every child
Supported by AVANTI
With thanks to United Nations Educational, Scientific and Cultural Organization
Endorsed by FEDERAL MINISTRY OF EDUCATION



## Ndubuisi Uchea na Hayel Wartemberg si na UK

Ndụ na Hayel bu mmadụ abụọ mepere word on the curb – ụlọ ozi nghọta omenala ewepụtàrà onwe ha iji ghọta akụkọ, njirimara na omenala nke ndị na eto eto. Ndụ na Hayel chọrọ ịchọpụta nghọtahie na aha jikọrọ ọtụtụ mmadụ na ụwa niile, na emepe Word On The Curb dikà ngwaọrụ iji eme ihe a, site na eweta ebe ndị mmadụ ga ekekorita akụkọ ha ma nu nke ndị ọzọ. N'aga n'ihu ha enyere aha ngwaāhịa na azụmahịa aka site na inye ha ohere na omenala ndị na eto eto site na nghọta na nkwurịtaokwū dijitàl mgbe n'otu oge ahụ na enweta ndị na eto eto ohere iji mụta ma nogide na mmekọrịta mmadụ n'ime echiche ebe mmasị.

**1. Kedu ihe kpaliri mmụọ gị iji mee ihe maka SDGs?**

Anyị abụọ nwere nnukwu onono mma na eto na mmepe obodo na omenala na odiiche digasị iche, na London. Mgbe anyị gara na mahadum nọ na Machester, anyị mụtara ozugbo na agbanyeghi nzụlite a, anyị ka nwere obere ihe mmụta uche enwetara dị-tụ mma nke ụwa na nke kachasị mkpa, otutu omenala na njirimara nke mere ya. Anyị chere na enwere ohere imepụta ebe ga achọpụta akụkọ nke ọtụtụ mmadụ si na gburugburu ụlọ akwụkwọ, na mgbe anyị gụsịrị akwụkwọ anyị chọrọ iji nyocha mkpa ihe a gafee Mahadum na Manchester. Na enwe onye akaebe mbu ma ikpa oke nke emere na ekpuchighi ekpuchi na nke nzuzo, anyị mara mmetụta ọjọọ nke aghọtaghị ọtụtụ omenala na ugbu a karịa mgbe o bula, anyị chọrọ inye aka belata agwa ndị a.

**2. Kedu ihe na akpali gị ịnọgide na ịga n'ihu?**

Eji vidīò emewo ka anyị nwee ike imetụta ndị mmadụ na ọkwà ụwa niile, na emepụta ozi nke enyochara ma kekorita na akụkụ ano niile nke ụwa. Ọmụma atụ nke a bu vidīò anyị chọrọ ikesa anyị mèpụtàrà ana akpo Ihe Ana Akụzirịghị m na Ụlọ Akwụkwọ. Vidio huru nwa akwụkwọ mahadum ebe o juru onye nkuzi ya ajụjụ nkọwa banyere nkuzi akụkọ ihe mere eme nke ndị oji na ụlọ akwụkwọ. Vidio enwetala ihe karịrị nlere anya nde iri ano n'ofe ọtụtụ ebe mmadụ ọhà na anyị na aga n'ihu na anata ozi intaneèt si na Lesotho ruo Louisiana na agwa anyị banyere mmetụta ọmà vidīò ahụ nwere na ebe mmadụ, ụlọ akwụkwọ, ndị otu ezinụlọ na obodo nọ. Anyị nwere ndị otu onye otu ezinụlọ si na Nigeria na Ghana na ezitere anyị vidīò na Whatsapp na amaghị na obu anyị mèpụtàrà ya! O bu nzaghachi di otu a na akpali mmụọ anyị iji na aga n'ihu.

**3. Gịnị mere eji chee na ndị na eto eto di mkpa iji nye aka na imezu SDGs?**

Enwere ọtụtụ ndị na eto eto na ụwa karịa mbu (ihe dikà nde mmadụ abụọ n'etiti iri na iri abụọ na ano). Nke a pụtara na ekwesịghị ihu ngunyè ha dikà ihe di mkpa, okwesiri ibu ihe achọrọ tupu emee njem nke mmezu Ebum n'obi. Ọtụtụ mgbe ndị na eto eto bu ndị na emekari mgbanwe, anyị nwere Whatsapp na Facebook tupu ndị nne na nna anyị enwee, anyị kuziri ha etu esi eji ya. Ya mere mmetụta igunyè ndị na eto eto na Ebum n'obi di ezigbo mma.

**4. Kedu ihe ibu Onyenchekwaebumnobi pụtara nye gị?**

Ibu Onyenchekwaebumnobi bu ncheta kwa ụbọchị nke oru anyị nwere iji nye aka mee obodo oburu gburugburu ebe obibi di mma maka anyị niile idi ndụ ma biri n'etiti ibe anyị. Obodo ndị nwere otu uche Ndinchekwaebunobi ọzọ na enye anyị ohere irukọ oru ma ghara imeri site na oke ọchịchọ ebumnobi ndị SDGs mèpụtàrà. Ha ga ekwe mmezu na aga emezu ya.


SUSTAINABLE DEVELOPMENT GOALS | WORLD'S LARGEST LESSON | In partnership with unicef for every child | Supported by AVANTI | With thanks to United Nations Educational, Scientific and Cultural Organization | Endorsed by FEDERAL MINISTRY OF EDUCATION

# EBUM N'OBI MMEPE BỤỊGBA

## NA-EME NJIKỌ



**EBUM N'OBI NKE 1**
Enweghi ida ogbenye

**EBUM N'OBI NKE 2**
Enweghi agụụ kpam kpam

**EBUM N'OBI NKE 3**
Ezigbo ahụike na ndu-uto

**EBUM N'OBI NKE 4**
Ezigbo mmụta

**EBUM N'OBI NKE 5**
Nhatanha oke na nwanyị

**EBUM N'OBI NKE 6**
Ezigbo mmiri ma idị ọcha

**EBUM N'OBI NKE 7**
Oku nke ga-erutu onye ọ bụla aka

**EBUM N'OBI NKE 8**
Ezigbo oru ma ezigbo ọganihu uzo akụnụba

**EBUM N'OBI NKE 9**
Mmepụta ihegasi, nsòpụta ọhụrụ ma uzogasi obodo si adị mma

**EBUM N'OBI NKE 10**
Ibelata enweghi nhatanha

**EBUM N'OBI NKE 11**
Obodogasi mepere emepe zuru oke ma ogbegasi zuru oke

**EBUM N'OBI NKE 12**
Oriri ma ịrụpụta ihegasi zuru oke

**EBUM N'OBI NKE 13**
Ime ihe maka mgbanwo ụwa

**EBUM N'OBI NKE 14**
Ndụ n'okpuru mmiri

**EBUM N'OBI NKE 15**
Ndụ n'elu ala

**EBUM N'OBI NKE 16**
Udo, ikpe-nkwumoto na uzogasi e si eme ihe zuru oke

**EBUM N'OBI NKE 17**
Njikọtagasị aka maka ebumnisigasi ahu



@chrisgadbury

www.magicstorybooks.com



SUSTAINABLE DEVELOPMENT GOALS
WORLD'S LARGEST LESSON
In partnership with unicef for every child
Supported by AVANTI
With thanks to United Nations Educational, Scientific and Cultural Organization
Endorsed by FEDERAL MINISTRY OF EDUCATION

## Ozi mgbakwunye nke isii: Ndepùta okwu maka Apụ Onyenchekwaebumnobi

Okwu ndị nọ na **akwụkwọ ndụ** bu nka egōsìpụtàrà site na ịmụta ihe banyere SDGs. Okwu ndị na acha **añụnu añụnụ** bu okwu ndị ụmụ akwụkwọ nwere ike ịmara dikà ono na Apụ Onyenchekwaebumnobi. Ụmụ akwụkwọ ga enwe ike ịhọrọ *ato o bụla* n'ime okwu ndị a maka eserese Onyenchekwaebumnobi ha.

1. Obi ike
2. Obi ọmà
3. Enye úchè
4. Enwe mmasị mmata
5. Mkpebisị ike
6. Obi ụtọ
7. Añụrị
8. Enyemaka
9. Echeputa echiche
10. Obi ebere
11. Ntụkwasị obi
12. Ikwudosi ike
13. Isi ike
14. Ezi echiche
15. Kwesiri ntụkwasị obi
16. Onye nkwalite
17. Onye njem nchọpụta
18. Onye esemese
19. Onye ogba bolu
20. Nwanne nwoke
21. Onye nkwàlite
22. Onye omee mgbanwe
23. Onye mmepụta
24. Onye ohuu
25. Onye azụmahịa
26. Ọkà nchekwa ebe obibi
27. Enyi
28. Onye nchepụta echiche ohuru
29. Onye isi
30. Onye ọkachamara mgbakọ na mwepụ
31. Onye oku egwu
32. Onye echiche ọmà
33. Onye ọkachamara na sayensi
34. Nwanne nwanyị
35. Onye ntà akụkọ
36. Nwa akwụkwọ
37. Onye ohuu


SUSTAINABLE DEVELOPMENT GOALS
WORLD'S LARGEST LESSON
In partnership with unicef for every child
Supported by AVANTI
With thanks to United Nations Educational, Scientific and Cultural Organization
Endorsed by FEDERAL MINISTRY OF EDUCATION

## Ozi mgbakwunye nke asaa: Ntụziaka na Etu Esi Eji Apụ Onyenchekwaebumnobi

1. See foto onwe màọbụ gwa enyi gị ka ose gị foto. Gbaa mbò hu na i ga ahụ ihu gị na i na achị ọchị! O kwesiri ibu foto bịara ihu gị nso, achọghị ka ahụ gị nọrọ n'ime foto. Chekwa ihe na ihu kòmpụtà gị.

2. Gaa na Apụ Onyenchekwaebumnobi: http://wllgoalkeeperme.globalgoals.org/

3. Pịa aka na eserese Kamera iji nyèfee foto gị

4. Jiri eserese nọ na elu akụkụ aka nri na ihe òsìsè busi o bula iji mee eserese onwe gị. Eserese A bu ebe i na ahọrọ okwu gị, brooshi agba mmiri na agbanwe agba ederede na nke ọkara jupụtara na gburugburu bu ebe i ga ahọrọ mgbakwasa agba maka foto gị.

5. Tupu gị echebe eserese Onyenchekwaebumnobi gị, gbaa mbò hu na i gụrụ okwu na ọnọdụ nke apụ Onyenchekwaebumnobi.

6. Enwere nhọrọ abụọ maka Ichēkwa eserese gị: Site na ipi aka na mpiakà Nchekwa bluu ọga abanye na kòmpụtà gị ozugbo. Màọbụ Chebe na mpiakà Galari ọga echekwa ma nyèfee eserese Onyenchekwaebumnobi gị na kòmpụtà gị nakwa ekekorita ya na ebe galari ọhà mmadụ.

7. Mgbe ahụ biko kekorita eserese Onyenchekwaebumnobi gị na mgbasa ozi ọhà na ejiri Twitter @WorldsLessonNG màọbụ instagram @WorldsLessonNG màọbụ Facebook @WorldsLessonNG màọbụ zitere anyị ozi intaneèt worldslessonnigeria@outlook.com


SUSTAINABLE DEVELOPMENT GOALS · WORLD'S LARGEST LESSON · In partnership with unicef for every child · Supported by AVANTI · With thanks to United Nations Educational, Scientific and Cultural Organization · Endorsed by FEDERAL MINISTRY OF EDUCATION

# Eserese Onyenchekwaebumnobi

**Ntụziaka**

• Jiri ma enyo màọbụ foto iji see, tee agba mmiri màọbụ mepụta eserese nke onwe gị
• Họrọ mkpụrụ okwu ato kachasị kọwaa ihe kpatara i jiri buru Onyenchekwaebunobi
• Kekorita eserese Onyenchekwaebunobi gị na ndị ọzọ!



ONYENCHEKWAEBUMNOBI